# ỌPỤPỤ AHỤ SITE N'UGWU SAINAI
## Ọnu-ọgugu 10:1-13, 29-36
### IHE ỌMỤMỤ 91 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Soro ayi je, ayi gēme kwa gi nma" (Ọnu-ọgugu 10:29)**

**Ahaziri Ndị Israel na Sainai**

Ihe dị ka otù arọ ka igwè Ndị Israel ahụ maworo ọmụma ụlọikwuu ha gburugburu Ugwu Sainai. Site n'elu ugwu ahụ, n'etiti égbè eluigwe, ọkụ, na anwụrụ-ọkụ, Chineke agwaworị Ụmụ Israel okwu wee nye ha iwu Ya. Moses abịarutewori Chineke nso n'igweoji ahụ, wee nata kwa Iwu Iri ahụ edere ná mbadamba nkume abụọ. Nime ọzara nke Sainai alụworị Ụlọikwuu ahụ dịka àtụmàtụ nke Chineke nyere Moses n'elu ugwu ahụ si dị ma ọkụ nke si n'eluigwe erepịawo ihe ịchụàjà ahụ dị n'elu ebe ịchụàjà ahụ, nke ná-egosi na Chineke anabatawo ọlụ ha. Chineke enyewo kwa Moses ọtụtụ ndụmọdụ na-akụziri ndị ahụ otú ha ga-esi biri n'udo na n'obiụtọ, site na mgbe ha nọ n'ọzara ruo mgbe ha ga-abànye na Kenean. Chineke arọpụtawo kwa ụbọchị ememe dị iche iche na ncheta niile a ga-eme nke a ga-edobe ruo ọtụtụ arọ dị n'iru. Ahaziri ihe niile, ma ugbu a oge ahụ abịawo ka Ụmụ Israel malite ijè ha iru Ala ahụ ekwere ná Mkwà.

**Odudu nke Ogidi Igwe-oji**

Ogidi igweoji n'ehihie na ọkụ n'abalị eduworị Ụmụ Israel site na mgbe ahụ ha rapụrụ Ijipt. Mgbe ewusịrị Ụlọikwuu ahụ, igweoji ahụ esiwo n'ugwu ahụ rịdata wee kpuchie ụlọ nke Onyenweanyị. Ọ nọwo kwa otù arọ na Sainai mgbe Ụmụ Israel na-echere ka ha nata ndụmọdụ maka ibuli ijè. Nke ahụ ga-abụrụ ha ihe ná-eduzi ha mgbe niile: mgbe igweoji ahụ zuru ike, Ụmụ Israel amaa ụlọikwuu ha; ma mgbe o biliri wee jee n'iru, ha na-azọli ijè, ma ọ bụ n'ehihie ma ọ bụ n'abalị. Mgbe ụfọdụ ha na-ama ụlọikwuu ụbọchị ole na ole n'ebe ha kwụsịrị mgbe ụfọdụ otù ọnwa ma n'oge ụfọdụ ọbụná otù arọ ma ọ bụ karịa. Ma ha na-anọgide dịka ọnụọgụgụ ụbọchị igweoji ahụ na-anọkwasị n'elu Ụlọikwuu ahụ ra.

Chineke nyere Moses iwu ka o mee opi ọlaedo abụọ nke ndị nchụàjà ga-afụ mgbe ọ bụla ha chọrọ ịhụ Ndị Israel niile (ma ọ bụ ka ndị Israel niile pụta). Ụfọdụ ọkpụkpọ òkù ahụ ga-adịrị ndị-isi niile nke ebo dị iche iche ịbịaru nso Ụlọikwuu ahụ ka ha ñaa ntị na ndụmọdụ niile nke Moses; òkù ụfọdụ ọzọ ka a ga-akpọ banyere ibu agha, ma ọ bụ mbuli ijè. Mgbe mbuli ijè ahụ malitere ebo ọ bụla n'otù n'otù pụrụ ịkọwa site n'ụda opi ahụ mgbe ọ bụ oge ha ibuli ijè.

Ụfọdụ aghaghị iche nche mgbe dum ọbụná mgbe ndị ahụ na-ararụ ụra, n'ihi na ogidi igweoji ahụ pụrụ ibuli n'abalị, ndị Israel aghaghị kwa ibuli ijè n'òkù nke oge ahụ. Ogidi ahụ bụ ihe ná-egosi uche nke Chineke, ma ndị ahụ aghaghị ịmata uche Ya ma mee kwa ya. Mgbe ọ bụla igweoji ahụ buliri ijè, opi ike ahụ ga-akpọli mmadụ niile ịga n'iru.

Anyị ga-abụ ndị nọ ná njikere mgbe niile ịmata nkeọma ihe bụ uche Chineke, na ịña ndịozi nke Chineke ntị ndị ná-elekọta anyị anya "nāfu opi-ike" nye anyị ka anyị ghara ịbụ ndị a ga-ejide nime ịrarụ ụra na inupụrụ Chineke isi.

**Mbuli Ijè ahụ Na-amalite**

Ụmụ Israel abụrụwo ndị ahaziworo ugbu a ha anatawo kwa ndụmọdụ maka ndụ nke ha ga-ebi nime Kenean, ma ugbu a ọ bụrụwo oge ha ịbànye n'Ala Mkwà ahụ. Mmezu nke olileanya ahụ dị kwa ka ọ dị nso, n'ihi na Kenean dị náánị njèm nke ụbọchị iri na otù site n'Ugwu Sainai.

Lee ụdị olileanya ha ga-enwewori site n'ịnụ ọkụ n'obi maka ịmalite ijè ha! Nde mmadụ atọ ha na igwe ewu na atụrụ ha! Oge na-adịghị anya ha ga-anọ n'ala ahụ "nke miri-ara-ehi na manu-añu." N'oge na-adịghị anya kwa ha ga-enweta ụlọ nke aka ha ebe ha ga-ebi n'obi ụtọ na inwere onwe. Ha ga-eketa ala ọma a nke Chineke kweworori Abraham na mkwà inye agbụrụ ya niile, ha agaghị kwa abụ orù ọzọ. Ihe ndịa niile ka Chineke ga-enyewo harị ọ bụrụ na ha enupụrụghị Ya isi.

Lee ụdị ịnụọkụ n'obi nke onye azọpụtara ọhụụ na-eji amalite ifè Chineke òfùfè! Ọ na-enwe nnọ ntụkwasịobi na ya ga-emeri n'ihe niile, na mgbe ná-adịghị anya na ya ga-anata ngọzi niile kachasị ukwuu nke Chineke kweworori na mkwa. Ọ bụrụ na ọ tụkwasị Jisọs obi wee nọgide na ntụkwasịobi ya, Chineke na-emere ya ihe ukwuu niile dị iche iche. Ma ọnwụnwa ga-abịa ma ọtụtụ mgbe ndị mmadụ na-elegide nsogbu ha anya we wezuga anya ha n'ebe Jisọs nọ, ha ewee bụrụ ndị dara mba n'obi nke ukwuu. Ụzọ ahụ ewee sie ike, ha ewee tụfuo ịnụọkụ n'obi ahụ nke ha ji malite ịdịrị Onyenweanyị ndụ. Ngwa ngwa ike agwụ ha n'ọlụ Ya, ha wee chéfuo na O kwewo mkwà ịlụrụ ha ọgụ ha niile. Anyị ga-anara ịdọ aka-ná-ntị site n'ihe nlereanya ime ihe ga-atọ Ya ụtọ n'ihe niile nke anyị na-eme. Mgbe ahụ ka anyị ga-anata kwa mkwà niile ahụ nke O kweworo ụmụ Ya.

**Ebo Ọ bụla N'ọnọdụ Ya**

Afụwo opiike ahụ nke tụziiri ebo Juda aka na ọ bụ ya ga-amalite ijè ahụ. N'okpuru ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Juda ka ebo Isaka na Zebulum na-aga njèm, n'oge ụfọdụ a na-agụkọta ha na ebo Juda ná-akpọghị ha aha otù otù. Ndịa bụ ebo ahụ niile ndị mara ụlọikwuu ha n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke Ụlọikwuu ahụ, n'iru ụzọ mbata ya.

N'oge ahụ ndị nọ n'okpuru ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Juda zọliri ijè ịga n'iru, ndị Giashon na ndị Merari ebudaworị ụlọikwuu ahụ ma jikere kwa isonye n'ahịrị ahụ. Ụgbọala isii nke ekpuchiri ekpuchi, nke ọ bụla ka ehi abụọ na-adọkpụ ná-ebu ụfọdụ nime ihe ndị dị arọ̀ nke Ụlọikwuu ahụ.

Mgbe opiike ahụ dara ọzọ nke ahụ bụ oge ndị Israel ndị mara ụlọikwuu ha na ndịda nke Ụlọikwuu ahụ ga-amalite ijè. Ndịa bụ ebo ndị ná-eje ijè n'okpuru ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Reuben, ma tinyekwara Simeon na Gad. Emesịa ndị Kohat, na-ebu ihe ịchọ mma nke Ụlọikwuu ahụ n'ubu ha. Chineke sịrị na ihe ndịa dị nsọ nke ukwuu iji ụgbọala nke anụ na-adọkpụ buru ya ma ndị Livai aghaghị iji nsọpụrụ buru ya bụ ndị enyefere ya n'aka.

Ụda opiike ahụ nke ugbò atọ bụ nke ga-eme ka ndị ọmụma ụlọikwuu ha dị n'ọdịda anyanwụ nke Ụlọikwuu ahụ zọlịe ijè. Ebo nke Efraim, Manase na Benjamin na-aga n'okpuru ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Efraim. N'azụ ha n'okpuru ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ nke Dan, Asha na Naftali na-esonye, tinyere igwè ndị agwara ọgwa na-emejupụta ndị nọ n'azụ

**"Soro Ayi Je"**

Èzínaụlọ nke nwunye Moses biri nso Sainai ebe ndị Israel nọworo otù arọ̀, ma mgbe Ụmụ Chineke kwadoworo ibuli ijè, Moses rịọrọ ọgọ ya nwoke ma ọ gaghị esoro ha jee. Chineke ekwewo ndị nke Ya mkwa nke ọtụtụ ihe mara mma bụ nke Moses chọrọ ka ya na ndị ọ hụrụ n'anya kerịkọta. Ala Kenean ahụ mara mma nke ukwuu karịa otú ọzara ahụ pụrụ ịdị, ma ọ gaje ịbụ ihe nketa nke Ụmụ Israel. Hobab ọ̀ gaghị esoro jee wee keta na nlekọta ọma ya nke ọ ga-elekọta ya?

Anyị bụ ndị ná-efe Chineke òfùfè ná-anata ngọzi Ya niile, anyị matara na Ọ na-akwadobe ọtụtụ ihe dị ukwuu nye ndị hụrụ Ya n'anya. Anyị na-enwe mmasị ịgwa ndịọzọ banyere óké ịhụn'anya nke Chineke n'ụzọ nke ga-eme ka ha chọọ kwa ifè Ya. Anyị apụghị ịghọta ihe mere ọtụtụ ndị mmadụ ná-apụghị ịrapụ ụzọ mmehie niile ha nke na-ewetara ha óké nsogbu, ka ha wee nwee ọñụ ahụ nke ọ bụ náání ụmụ Chineke pụrụ ịmata ya. Lee otú obi na-esi atọ anyị ụtọ mgbe otù onye kpebiri isoro anyị nwee ngọzi niile ahụ nke Jisọs na-enye anyị ugbu a na njèm anyị iru Ala Mkwà ahụ, wee soro anyị kekọrịta ihe nketa ahụ nke dị n'Eluigwe mgbe Jisọs ga-abịa ịkpọrọ ndị nke Ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Oge ra añaa ka ndị Israel nọworo n'Ugwu Sainai?
2. Kpọọ aha ihe ụfọdụ nke mere n'ebe ahụ.
3. Òlee otú Ụmụ Israel na-esi amata na oge ibuli ijè eruwo?
4. Òlee ebe Ụmụ Israel na-eje, òlee otú o si dị anya?
5. Òlee ihe Moses gwara nwanne nwoke nwunye ya?